# IRU CHINEKE N'UGWU SAINAI

## Ọpupu 19:1-25; Ndi Hibru 12:18-25

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 60 - Nke Ndị okenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Biarunu Chineke nso, Ọ gābiaru kwa unu nso" (Jemes 4:8).**

**I Njéru Israel Jeruru Ugwu Sainai**

1. Ha bịara n'ọzara Sainai wee maa ụlọikwuu ha n'ọnwa nke atọ, ụbọchị nke mbụ, Ọpupu 19:1, 2
2. Moses jéré n'iru Chineke wee nata ozi eziri Israel, Ọpupu 19:3
3. Échétaara ha otú Chineke si kpọpụta ha site n'Ijipt, ịbụrụ "ihe nke aka" Ya, Ọpupu 19:4-6
4. Ndị Israel na Chineke wee baa n'ọgbụgbandụ dị nsọ, ewee mee ka ọnọdụ Moses guzosieike n'iru ha, Ọpupu 19:7-9

**II Njikere Israel jikeere Nye Mpụtaìhè nke Chineke**

1. Chineke nyere Moses iwu ka o doo ha nsọ ná njikere n'ihi mpụtaìhè Ya, Ọpupu 19:10, 11
2. Akpara ókè gburugburu ugwu ahụ ka onye ọ bụla ghara ịmetụ ya aka, ka ọ ghara ịnwụ, Ọpupu 19:12
3. Onye ọ bụla nke gaemetụ ugwu ahụ aka, maọbụ mmadụ maọbụ anụmanụ, agaeme ka ọ nwụa, Ọpupu 19:13
4. Moses naedo ndị ahụ nsọ, náenye kwa ha iwu ka ha jikere banyere ụbọchị nke atọ, Ọpupu 19:14, 15

**III Ịdị elu nke Mpụtaìhè nke Chineke N'elu Ugwu ahụ**

1. Mmadụ niile naama jijiji n'ụdà égbèeluigwe, àmụ̀mà, opiike nke náada ụdà dị ukwuu nke ukwuu, Ọpupu 19:16
2. Israel niile naele ugwu ahụ anya ka ọ naakwụ anwụrụ dịka ọkụ mgbe Jehova naarịdata nime ọkụ, Ọpupu 19:17, 18; Abù Ọma 50:3
3. Olu opiike ahụ naadasi ụdà ike ogologo oge, dịka Moses naama jijiji náarịgo, ka ya na Chineke kparịta ụkà, Ọpupu 19:19, 20; Ndi Hibru 12:21
4. Adọrọ ndị ahụ akanántị ka ha ghara ịbịa nso, ka ndị nchụàjà doo kwa onweha nsọ, ka ha ghara ịnwụ, Ọpupu 19:21-25; Ndi Hibru 12:14, 29

**IV Ejiri Ugwu Sainai Tụnyere Ugwu Zaion**

5. Anyị onweanyị dịka NdịKraist ka anaechetara ihe dị óké ebube ná nrịdata nke Chineke na Sainai, Ndi Hibru 12:18-21
6. Anyị onweanyị, otú ọ dị, abịaruwo ugwu Zaion, Jerusalem nke dị n'Eluigwe, bụ́ obodo nke Chineke dị ndụ, Ndi Hibru 12:22
7. Anyị abịawo ná nzukọ nke ndị ebuụzọ mụpụta, bịakute Chineke bụ́ Onyeikpé, na Jisọs bụ́ Onyeogbugbò, Ndi Hibru 12:23, 24
8. Ọ bụrụ na ha agbanarịghị bụ́ ndị ahụ jụrụ Moses onye kwuru okwu n'ụwa, òlee otú anyị onweanyị gaesi gbanarị ma ọ bụrụ na anyị ajụ Onye ahụ si n'Elụigwe náekwuokwu? Ndi Hibru 12:25; 1:1, 2; Jọn 1:17

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

**Iwu Ahụ**

Mgbe ụfọdụ, anaeji mgbanwe pụtara ìhè n'akụkọ ụwa banyere mmadụ mara mmeso nke Chineke naemeso mmadụ. Ndúpụta Chineke ji aka Ya dúpụta, site n'ọtụtụ ọlụ ebube dị ukwuu dúpụta Israel n'ala Ijipt site n'ụlọ ndịorù bụ ihe anaaghaghị icheta mgbe ọ bụla. Mwebata O webatara ha n'ọzara nke Ugwu sainai, bụ́ ebe Moses n'ọnwa olenaole garaaga zutere Chineke n'ọhịa ahụ náereọkụ, abụghị kwa ihe ntà. N'ihi na ọ bụ ebe a ka Israel gaesi n'aka Moses náta **Iwu** ahụ zuruókè nke onye dere Abù Ọma naekwé ukwe banyere ya sị:

> **"Iwu JEHOVA zuru ókè, nēweghachi nkpuru-obi: ihe-àmà JEHOVA kwesiri ntukwasi-obi, nēme ka onye nēnwegh uche mara ihe.**
>
> **"Ukpuru nile JEHOVA tọrọ ziri ezi, nēme ka obi ñuria ọñu: ihe JEHOVA nyere n'iwu nēnwu enwu, nēnye anya ìhè.**
>
> **"Egwu JEHOVA di ọcha, nēguzo rue mgbe ebigh-ebi: ikpé nile nke JEHOVA bu ezi-okwu, ha nile ziri ezi n'otù.**
>
> **"Ihe anāchọsi ike ka ha bu, kari ọla-edo, kari ọtutu ọla-edo anuchara anucha: ha di kwa utọ kari manu-añu, bú nke si n'ugbugbọ manu-añu nātasi.**
>
> **"Ọzọ, eji ha dọ orù-Gi aka ná nti: N'idebe ha ka ọkpukpu-ọlu riri nne nāputa" (Abù Ọma 19:7-11).**

**Oge nke Iwu Ahụ**

Onyinye nke Iwu a gosịrị nnọọ mmalite nke agba ọhụụ, ná ekpughe uche dị nsọ nke Chineke, ọ bụghị náání nye ndị Israel, kama nye mmadụ niile ekèrè èkè; ka Iwu ahụ, dịka onyeòzízí wee duru ụmụmmadụ bịakute Kraist, bụ́

Mesaia ahụ ekwere ná mkwà, wee mee ka óké ekpere ahụ mezue, “Ka eme ihe I nāchọ, dika esi eme ya n’elu-igwe.”

N’ihi nke a ọ gaghị abụ ihe ijuanya nye anyị na inye Iwu ahụ kpaliri àmụmà, égbè eluigwe, na olu dị ike nke opiike ahụ náadasi ụ̀dà ike nke mere ka ndị ahụ maa jijiji, ọbụná Moses tụrụ egwù, maa kwa jijiji. N’ihi na ihe ịrịbaàmà niile ahụ mere ka amata na Chineke nke Pụrụ Ime ihe Niile n’Onweya nọ n’elu Ugwu ahụ nke náakwụ anwụrụ, ha naegosi kwa ikpé ọjọọ nke gaeleta mmadụ niile gaemebi iwu ahụ bụ́ nke Chineke naachọ iji aka nke Ya Onweya depụta.

**Ọgbụgbandụ nke Israel na Chineke Gbara**

Mgbe Israel jesịrị ọtụtụ njèm wee rute n’Ugwu Sainai wee maa ụlọikwuu ha, n’ụbọchị nke náesote. Moses rịgoro rue n’iru Chineke wee jiri ozi a lata: “Unu onwe-unu ahuwo ihe M’mere ndi Ijipt, ebu-kwa-ram unu n’elu nkù ugo, me ka unu biakutem. Ma ugbu a, ọ buru na unu ege nti n’olum n’ezie, ọ buru kwa na unu edebe ọgbugba-ndum, unu gābu-kwa-ram ihe nke akam kari ndi nile: n’ihi na ọ bu Mu nwe uwa nile; unu onwe-unu gābu-kwa-ram ala-eze ndi-nchu-àjà, na mba di nsọ.” “Ndi Israel nile we za n’otù, si, Ihe nile JEHOVA kwuru, ayi gēme ya.” Site otú a n’Ugwu Sainai Israel na Chineke we baa **n’ọgbụgbandụ dị nrò.**

**Njikere Israel Jikeere Nye Mpụtaìhè Nke Chineke**

Iheọzọ Israel gaeme bụ inwe njikere maka mpụtaìhè dị nsọ nke Chineke n’elu ugwu ahụ. N’ihi nke a ka Jehova gwara Moses okwu sị, “Jekuru ndim, do ha nsọ ta na echi, ka ha su kwa uwe-ngbokwasi-ha, nọ ná njikere nye ubọchi nke-atọ: n’ihi na ọ bu n’ubọchi nke-atọ ka Jehova gāridata n’anya ndi Israel nile n’elu-ugwu Sainai.”

Akụkụ njikere nke a nke enyere Moses na ndị ahụ ime bụ ngosi anaahụ́ anya nke ịdịnsọ nke ime obi ahụ nke Chineke naachọ, “nke onye ọ bula agagh-ahu Onye-nwe-ayi anya ma o nwegh ya,” ya na nke gaeme ka ndị Israel “we nwaputa ihe bu ihe Chineke nāchọ bú ezi ihe nke di kwa ya ezi utọ nke zu-kwa-ra òkè” nke egosịrị n’Iwu ahụ anaejikere inye. Otú a kwa mkpụrụobi ahụ agụworo n’onye eziomume, bụ́ nke náegosi ụdị nnapụta esi n’Ijipt napụta Israel nwere òkè n’ịlụzu ọlụ nke Chineke zubeworo ya -- ọ ghaghị iji onweya na ihe ya niile nyebiga Chineke n’aka, ka ewee dozue ya nsọ: “Ya mere umu-nnam, ejim obi-ebere nile nke Chineke nāriọ unu, ka unu che aru-unu n’iru Chineke, dịka àjà di ndu, di nsọ, nke di Chineke ezi utọ nke bu ikpe-ekpere-unu dika uche si di. Unu ekwe-kwa-la ka eme ka unu yie ajọ oge a: kama ka enwogha unu site n’ime ka uche-unu buru ihe ọhu, ka unu we nwaputa ihe bú ihe Chineke nāchọ, bú ezi ihe nke di kwa Ya ezi ụtọ nke zu-kwa-ra okè” (Ndi Rom 12:1, 2).

Ihe a mere n’Ugwu Sainai si otú a bụrụ nchigharị dị ukwuu ọ bụghị náánị n’akụkụ ndị Ju, kama o mesịrị bụrụ kwa otú a n’akụkọ nke agbụrụ niile nke ụwa, n’ihi ọ bụ Israel ka enyere okwu nke si n’ọnụ Chineke pụta inye mmadụ niile bi n’ụwa. Ụfọdụ ụmụakwụkwọ Baịbụl kwa, mgbe ha naapịakọ usoro akụkọ nke ihe ndịa mere nke ekepụtara n’ebe ọgụgụ a, kwere na Chineke bịara n’ugwu ahụ n’iri ụbọchị ise ka emesịrị ngabiga ahụ emere n’Ijipt n’abalị ahụ esi n’ịbụ orù nápụta Israel. N’ihi nke a, ha kwere na óké ihe a mere n’Ugwu Sainai bụ mmezu nke ụbọchị Pentikọst.

**Ugwu Sainai na Ugwu Zaiọn**

Pọl Onyeozi naechetara anyị n’akwụkwọozi nke o degaara ndị Hibru na oge nke àmàrà anyị naebi nime ya ugbu a bụ oge ekwesịrị ịtụ egwù karịa ka ndị Israel nwapụtara n’oge nke Iwu. N’ezie, ha mara jijiji mgbe àmụmà na égbèeluigwe na apụta n’ike dị egwù, ugwu wee náadasiụdà ike site n’opiike nke náadaụdà ogologo oge, mgbe Chineke nke Pụrụ Ime Ihe Niile bịara n’ugwu ahụ nke náakwụ anwụrụọkụ. Ọbụná Moses onweya sịrị “Anamatu oké egwù, aru ma-kwa-ram jijiji.”

“Kama unu abiaruwo,” ka onyeozi ahụ naéchetara anyị, “ugwu Zaion, na obodo nke Chineke di ndu, bú Jerusalem nke di n’elu-igwe, na ọtutu ndi anāpugh iguta ọnu, bú ngbakọ ọra ndi-mọ-ozi nile, na nzukọ nke ndi eburu uzọ muputa ndi edeworo aha-ha n’akwukwọ n’elu-igwe, na Chineke, bú Onye-ikpé ọra madu, na mọ nke ndi ezi omume emeworo ka ha zue òkè, na Jisus, bú Onye ogbugbo nke ọgbugba-ndu ọhu, na ọbara nke nfesa nke nēkwu nke-ọma kari nke ọbara Ebel kwuru.”

Ya mere, ọ bụrụ na Israel, jụrụ onye ahụ kwuru okwu n’ụwa -- ọbụná Moses, bụ́ onye nyere iwu -- agbanarịghị, òlee otú anyị onweanyị gaesi gbanarị ma ọ bụrụ na anyị ajụ onye ahụ nke si n’Eluigwe kwueokwu -- ọbụná Jisọs Onye na enye Ndụ? Na mgbe náadịghị anya, Ọ gaabịa ọzọ: Ọ naabịa, ọ bụghị dịka Nwoke Onye Nazaret ahụ ewedara n’ala, kama ọ bụ dịka Onyeikpé nke ụwa niile. “Ndi-eze nke uwa, na ndi-amadi, na ndi-isi-ọchi-agha, na ndi-ọgaranya, na ndi di ike, na orù ọ bula, na onye ọ bula nwere onwe-ya, we zobe onwe-ha nime ọgbà na nime oké nkume nke ugwu; ha nāsi kwa ugwu na oké nkume ahu, Dakwasinu ayi, zopu ayi n’iru Onye ahu Nke nānọkwasi n’oche-eze ahu, zopu kwa ayi n’iwe nke Nwa-aturu ahu” (Nkpughe 6:15, 16). “Ọ bu ihe di egwu idaba n’aka Chineke di ndu.”

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Gịnị mere Ụmụ Israel jiri maa ụlọikwuu mgbe ha rutere n’Ugwu Sainai?

2. Òlee ihe Moses nwapụtaworo na mbụ n’akụkụ ugwu a?
3. Gịnị bụ ọnọdụ enyere Moses mgbe Israel rutere n’ugwu ahụ?
4. Gịnị ka enyere Israel ime ná njikere banyere ọbịbịa Chineke?
5. Gịnị ka njikere a bụ ụdị ya, gịnị bụ kwa njikere nke Chineke chọrọ ka ha jikere nime mmụọ?
6. Òlee otú njikeere a si nyere ha aka banyere Iwu ahụ nke Chineke naachọ inye ha?
7. Ọ̀ dị onye ọ bụla pụrụ inweta nzọpụta site n’idebezu Iwu ahụ?
8. Gịnị bụ ọlụ Iwu ahụ naalụ banyere nzọpụta site na Kraist?
9. Gịnị mere àmụ̀mà na égbèeluigwe na ụ̀dà opiike ji bute ụzọ tupu inye Iwu ahụ?
10. Gịnị bụ isiihe nke dị n’Iwu Moses dịka enyere ya n’Ugwu Sainai?